# ARỊRỊỌ NKE MOSES MAKA IRU CHINEKE
## Ọpupu 33:1-23
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 68 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "I nēchebe onye emeworo ka uche-ya dabere na Gi, o we nādizu n'udo" (Aisaia 26:3).**

**Ewezuga Chineke Inyeaka Adịghị**

Mgbe igwè mmadụ ahụ nke ụmụ Israel malitere ijè ha iru Ala ahụ ekwere ná Mkwà, ha amataghị ụzọ ya. Ha amaghị kwa ebe ha gaahụ́ ihe oriri nye onweha na anụụlọ ha, maọbụ ebe mmiri dị ha gaañụ. Ewezuga na Chineke duziri ha, ha gaalaworị n'iyi nime ọzara ahụ.

Site ná mmalite nke ijé ha Chineke ebuteworo ha ụzọ n'ogidi igweoji n'ehihie na ogidiọkụ n'abalị. Ha matara na Chineke nọ n'ebe ahụ n'ihi na Ọ gwawo Moses okwu site n'igweoji ahụ, ha niile ahụwo kwa ebube Ya (Ọpupu 16:10-12).

**Ebube Nke Chineke N'Ugwu Ahụ**

Ogidi ahụ eduruwo ha rue Ugwu Sainai, ebe Ndị Isreal mara ụlọikwuu ha nwa oge. Ebe ahụ ka Chineke pụtara n'ebube na ike, n'etiti égbè eluigwe na àmụ̀mà na ala ọmajijiji; n'ebe ahụ kwa ka opi nke Chineke dara ogologo oge náadasị kwa ike, náakpọ ndị ahụ ka ha bịarue nso ugwu ahụ wee nụrụ iwu Ya dị nsọ. Ha anụwo olu Ya wee ghọta kwa okwu niile O kwuru; otú ọ dị, nime iri ụbọchị anọ ha wee mere onweha nwaehi ọlaedo n'ọnọdụ Chineke nke Eluigwe Onye pụrụ ime ihe niile! N'ezie Chineke bụ Onye eziomume n'ịchọ ịla ndị ahụ náekpere arụsị ndị náenweghị kwa obi ekele n'iyi. Chee uche banyere ebere Ya idebe ha ndụ, n'ọ̀zị́zá ekpere nke Moses!

**Chineke Jụrụ Ndị Nke Ya**

Mgbe Chineke gwara Moses n'ugwu na ndị Israel naeme mmehie, Ọ sịrị: "Je, rida; n'ihi na ndi gi, nke i mere ka ha si n'ala Ijipt rigoputa ebibiwo onwe-ha" (Ọpupu 32:7). Chineke agaghị ewere ndị mmehie ahụ dịka ndị nke Ya, mgbe Ọ naagwa Moses ihe banyere ha, Ọ kpọrọ ha "ndi gi."

Anyị apụghị ịbụ ụmụ Chineke ma ọ bụrụ na mmehie dị nime ndụ anyị. Mgbe anyị kwupụtara mmehie anyị wee si kwa nime ha chègharịa wee nata mgbaghara nke Jisọs, amụbatawo anyị n'èzínaụlọ nke Chineke; ma ọ bụrụ na anyị eme mmehie ọzọ, anyị abụghị kwa ụmụ Ya ọzọ. Jisọs gwara ndị Ju mgbe ha mehiere na ekwensu bụ nna ha (Jọn 8:44). Chineke duziri Jọn ide: "Nime nka ka umu Chineke bu ndi emeworo ka ha puta ìhè, ha na umu ekwensu: onye ọ bula nke nādigh-eme ezi-omume esigh na Chineke puta, onye nke nādigh ahu nwa-nna-ya n'anya esigh kwa na Ya puta" (I Jọn 3:10). Anyị hụrụ na ọbụná ihe anyị kpọrọ mmehie ntà, dịka ahụ́ghị nwanna anyị n'anya, gaekewapụ anyị na èzínaụlọ nke Chineke wee mee ka anyị ghọọ ụmụ nke Ekwensu.

**Ebugharịrị Ụlọikwuu Ahụ N'Ázụ̀ Ọmụma Ụlọikwuu**

Chineke nwere obi ebere n'arụ ndị Israel mgbe ha chègharịrị, O kpochapughị kwa ha niile; ma Ọ sịrị na Ya agaghị anọ n'etiti ndị nke a náekwesi olu ike. Moses nwere ụlọikwuu ebe ọ naezute Chineke náefè kwa òfùfè, bụ́ nke o bupụrụ gaa n'ázụ̀ ọmụma ụlọikwuu ha. Ọ kpọrọ ya Ụlọikwuu nzute. N'ebe ahụ ka Moses naaga arịọrọ ndị ahụ arịrịọ, n'ebe ahụ ka Chineke zutere ya n'ogidi igweoji. Onye ọ bụla nime Ụmụ Israel nke nwere agụụ igè Chineke nwere oghere isoro ya jee. Mgbe ndị fọdụrụ n'ụlọikwuu hụrụ ogidi ahụ ka ọ rịdatara n'ụlọikwuu ahụ, dịka ihe ịrịbaàmà nke ịchọta kwa amara Ya, ha biliri kpọọ kwa isiala.

**Chineke Nyere Mmụọozi Dị ka Onye Ndú**

Chineke emeworo Israel ebere, ma Ọ maara na ha gaemehie kwa ọzọ, ma eleghịanya n'oge ọzọ Ọ gaghị emekwara ha ebere Ọ gaebibi ha. N'ihi nke a Ọ sịrị na Ya gaeziga Mmụọozi nke ganaedú ha ebe Ya onwe Ya naagaghị anọnyere ha.

Mgbe náadịghịanya anyị gaamụ̀ ihe banyere mgbe ụmụ Israel mehiere, Chineke zitere ha agwọ ọjọọ n'etiti ha ịta ha; ndị niile ọ tara wee nwụọ. N'oge ọzọ ọkụ si n'ebe Chineke nọ wee ree ha rechapụ ọtụtụ mmadụ n'ihi mmehie ha (Ọnu-ọgugu 11).

**Arịrịọ Nke Moses**

O wutere Moses ebe ọ dị ukwuu na Chineke agaghị esoro ha jee. Moses enweghị nchèkwube na ọ gaedú igwemmadụ dị otú a rue Ala Mkwà ahụ ma ọ bụghị na Chineke nọ n'akụkụ ya inyere ya aka. Mgbe Moses chọrọ na mbụ inyere ndị ya aka n'Ijipt, ọ nwara n'ike nke onweya ịbụ ngwaọlụ, o wee hụ́ na o mere ihe náadịghị mma. Mgbe ọ gbalịrị ime udo n'etiti ndị Hibru abụọ, ha tiri mkpu, "Ònye mere gi onye-ndú na onye-ikpé n'etiti ayi?" Moses amụtawo na ọ pụghị ime ihe ọ bụla ma ewezuga inye aka Chineke, n'ihi nke a o wee rịọ ka iru Chineke soro ya jee, ma ọ bụghị otú a na ya agaghị anwa iduru ndị ahụ gaa n'iru ọzọ.

**Mkpà Anyị Banyere Iru Chineke**

Ọtụtụ mmadụ ndị malitere ịbụ ndị Kraist na mbụ naadaberesi ike nime Onyenweanyị, ma n'oge náadịghị anya ha ewee náechè na ha pụrụ ịga n'iru n'onweha. Ha adịghị ekpe kwa ekpere dịka ha naekpe na mgbe ha natara nzọpụta na mbụ, ha adịghị kwa ewere ogologo oge ịgụ Baịbụl, bụ́ ihe nduzi nke Chineke nye ndụ OnyeKraist. Nwayọ, nwayọ ha ewee pụọ n'ebe Chineke nọ. Emesịa mgbe nsogbu bịakwasịrị ha, ha ewee mata na ọ bụ náání ha nọ, wee mata kwa na ọ dị mkpà ka Chineke nyere ha aka -- ma Ọ nọ n'ebe dị anya. Moses achọghị ịhụta onweya n'ebe siri ike n'ihi na Chineke anọghị ya nso. Ọ sị, "Ọ buru na iru-Gi adigh eje, emela ka ayi si n'ebe a rigo."

Nke ahụ gaabụ nchèkwube nke onyeKraist ọ bụla. Anyị apụghị ijé n'ebe ọ bụla nke Chineke náagaghị esoro anyị; anyị agaghị ekwu ihe ọ bụla nke anyị náagaghị achọ ka Ọ nụ. Anyị gaamụta okwu Chineke wee kpesie ekpere ike nye Jisọs ka Iru Ya náanọ n'akụkụ anyị mgbe ọ bụla.

Moses na Chineke rụrịtaraụkà: Òlee otú ndị mbaọzọ nke a gaesi mata na ndịa bụ ndị nke Chineke ma ọ bụrụ na Iru Ya esoghị ha jee? Òlee otú ndị mmadụ n'ụbọchị taa si amata ndị bụ ụmụ Chineke? Ha naamata ezi ndị nke Kraist site na Mmụọ Chineke nke náanọnyere ha. Ọtụtụ mmadụ nwereike izukọta n'aha Jisọs, ma ọ bụrụ na mmehie dị n'obi ha Mmụọ nke Chineke agaghị anọnyere ha. Òfùfè ha bụ ihe tọgbọrọ n'efu. Ndị náekwenyeghị okwu Chineke nwereike hụ́ ndị dị otú a wee si na ha naebi ndụ dịka ha onweha naebi kwa.

**Ebe Mmụọ Nsọ Naebi**

Lee otú ọ gaesi dị iche bụ́ nzukọ ahụ nke Mmụọ Chineke naebi nime ya! Ịhụn'anya na mnwekọ náadị n'etiti ụmụnna n'ihi na Ọbara nke Jisọs emewo ka ha bụrụ otù; ha nwereike ikpèekpere nke okwukwe nke gaeme ka agwọ onye arụ náadighịike; Mmụọ Nsọ ahụ naekwuokwu amamikpe nime obi nke onye mmehie naachọ eziokwu wee mee ya ka ọ chọọ ụzọ nke nzọpụta. Chineke nọ n'ebe ahụ! Iru Ya dị nsọ naemetụ ndị ahụ. Abụ̀ nke otuto naakpali mmadụ site n'obi nke ndị ahụ mara Chineke. Anaekwu okwu Chineke n'ụzọ nke náadịghị ekpuchi mmehie wee náakuziri ụmụmmadụ ụzọ nke ịga Eluigwe. Ihe àmà nke Baịbụl ewee soro ndị kwere (Mak 16:17, 18).

Lee otú o si dị mkpà ka iru Chineke dị n'etiti anyị! Mmụọ Nsọ Ya naanọnyere ndị Ya amụrụ ọhụụ; mgbe edoro ha nsọ, Mmụọ Nsọ ahụ naabata ebe ọ dị ukwuu karịa; mgbe ha natara ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ ahụ, ha naenwebiga mmanụ nke ọñụ ahụ ókè, ọkụ nke ịhụn'anya Ya. Ha natara ike Ya na Ọwụwụmmiri ahụ n'ihi ijéozi nke gaamị mkpụrụ nye Chineke. Mmụọ Nsọ ahụ naadịgide nime anyị mgbe anyị naadịrị Chineke ndụ wee náenwe mmekọrịta kwa ụbọchị anyị na Chineke.

**Ìhè Nke Ụwa**

Ụwa naetoetó n'ọchịchịrị n'ihi mmehie nke ụmụmmadụ. Jisọs bụ̀ náání Ìhè ya. Otú a ka Mmụọ Nsọ nke dị nime ụmụ Ya, ihe nnagide nke ìhè ahụ, bụ̀ ìhè ahụ nke náeduru ụmụmmadụ bịakute Onyenzọpụta. Nke ahụ bụ̀ ihe mere o ji dị mkpà na anyị gaewere Mmụọ nke Chineke n'obi anyị ka anyị wee nweeike ịmụwa n'ụzọ ka ndị mmehie wee hụ́ ụzọ nke iru n'Otuto.

**Moses Nwere Mmeri**

Chineke zara ekpere nke Moses wee kwenye na Ya gaesoro ya jee. Moses wee rịọ ngọzi ka ukwuu: ọ chọrọ ịhụ́ ebube nke Chineke. Ugbu a, ọ dịghị onye ọ bụla pụrụ ịhụ́ iru nke Chineke wee dị ndụ n'anụarụ nke a pụrụ ịnwụanwụ. O wee zobe Moses n'oghere nke óké nkume ahụ were ọbụaka Ya kpuchie ya. O wee gabiga mee ka Moses hụ́ náání ázụ̀ Ya. Obi nke ezi onye nke Kraist naenwe agụụ ịhụ́ ọhụ̀ banyere Jisọs; anyị na añụrịọñụ n'ebube Ya nke Ọ naeme ka anyị hụ́. Mgbe anyị gaeru n'Eluigwe anyị gaahụ́ Ya otú Ọ dị. "Ndi m'huru n'anya, ugbu a ka ayi bu umu Chineke, akēmegh kwa ka ọ puta ìhè ihe ayi gābu. Ayi matara na, ọ buru na agēme ka Ọ puta ìhè, ayi gābu ndi yiri Ya; n'ihi na ayi gāhu Ya otú Ọ di" (I Jọn 3:2).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Ònye duru Ụmụ Israel site n'Ijipt rue Sainai? N'ụzọ dị añaa?
2. Gịnị mere Chineke jiri jụ ịkpọ Ndị Israel ụmụ Ya?
3. Òlee mgbe anyị ji bụrụ ụmụ Chineke?
4. Òlee otú ndị mbaọzọ si mara na Ndị Israel bụ ndị Chineke rọpụtara?
5. Òlee otú ụmụmmadụ si mata na anyị bụ ụmụ Chineke?